# BIA NYE DINWENU ONYINYE KEY ‘G’ ¾ by J. Egbeji

**CHORUS:**

Bia nye Dinwenu onyinye mara mma. O na-aso m’uso i soro nye Chukwu onyinye…..*crescendo*.. (*soft*: ebe m’enweghi’he m g’enye Olisa bi n’igwe), *force:* ka m werezi’onwe m nye Oseburuwa (*soft*: etu nwanyi ajadu siri) *force*: wer’onwe ya mer’ih’onyinye (**maka**) Onwegh’ih’onwere inye Chukwu; (**n’ayozi Dinwenu m**) k’owerezie m mee ihe di Ya mma.

**VERSES:**

1. Chineke nar’onyinye anyi, Nna di ebube nar’onyinye. Onye n’enweghi ihe og’enye ma wer’onwe ya nye Gi, Chineke Nna duru ya, durunu ya ka oru bara Gi oru
2. Nwanne m onyinye gi di’che iche bu nke Dinwenu. Dinwenu nyere gi ha ncha. Imutar’umu; I nwere oguguisi k’obu aku n’uba..Onyinye Chukwu ka ha ncha bu. Ya bu wer’ih’inwere kelee Ya, wer’obi gi nile bia nye Chukwu onyinye
3. Oseburuwa Chineke Okak’igwe nar’onyinye di mma anyi jiri churu Gi aja; nara ya; naranu ya dika aja nsure oku

FSPCO